جمعية خدمة المحتوى
الإسلامي باللغات

# Ị jụọla onwe gị ajụjụ?
# Onye kere gị? Maka gịnịkwa?
# Gịnịkwa dị mgbe ọnwụ gachara?

هَلْ سَأَلْتَ نَفْسَكَ؟ مَنْ خَلَقَكَ؟ وَلِمَاذَا؟ وَمَاذَا بعْدَ المَوْتِ؟

Igbo

إيجبو

Kọmitii Ndị Ọkà Mmụta
nke Otu Na-ahụ Maka Ọrụ Ndịnaya Islam
n'Asụsụ Dị Iche Iche

هَلْ سَأَلْتَ نَفْسَكَ؟ مَنْ خَلَقَكَ؟ وَلِمَاذَا؟ وَمَاذَا بعْدَ المَوْتِ؟

# Ị jụọla onwe gị ajụjụ? Onye kere gị? Maka gịnịkwa? Gịnịkwa dị mgbe ọnwụ gachara?


اللَّجْنَةُ الْعِلْمِيَّةُ

بِجَمْعِيَّةِ خِدْمَةِ الْمُحْتَوَى الْإِسْلَامِيِّ بِاللُّغَاتِ

Kọmitii Ndị Ọkà Mmụta nke Otu Na-ahụ Maka Ọrụ Ndịnaya Islam n'Asụsụ Dị Iche Iche

بِسْمِ اللهِ الرَّحمَنِ الرَّحِيمِ

## Ị jụọla onwe gị ajụjụ? Onye kere gị? Maka gịnịkwa? Gịnịkwa dị mgbe ọnwụ gachara?

Onye kere gị, O nwa mmadụ? Ọ bụrụ na i lee anya n'ahụ gị n'okpuru igwe nyocha, ị ga-ahụ ụwa nwere nhazi ziri ezi nakwa ọrụ ebube. N'ihi na mkpụrụ ndụ ọ bụla dị n'ahụ gị bu ozi mkpụrụ ndụ ihe nketa nke koodu ya gbagwojuru anya. Ì jụọla onwe gị ajụjụ: Ònye dere koodu ndị a? Nakwa ònye tinyere ha n'ọnọdụ ha ziri ezi?

Ụlọ ọ bụla dị elu, nakwa ụlọ ọ bụla dị nkịtị, na-akọ akụkọ onye rụpụtara ya; ọ̀ bụ ihe uche ga-anabata na mbara igwe a sara mbara dị adị na ịma mma ya, izi ezi ya, nakwa nhazi zuru okè nke akụkụ ya niile, n'enweghị Onye Okike?!

O nwa mmadụ, dị nnọọ ka uche gị na-agaghị anabata ka a gwa gị na: ekwentị ọgbara ọhụrụ e rụpụtara n'ụzọ zuru okè pụtara na mberede n'enweghị onye haziri ya ma ọ bụ onye rụpụtara ya, ma ọ bụ na usoro ngwaọrụ dị mgbagwoju anya na-arụkọ ọrụ n'ịdị n'otu nakwa n'ụzọ ziri ezi n'enweghị onye mmemme ma ọ bụ onye nlekọta. Otu a kwa ka uche na-agaghị anabata ka a gwa ya na: mbara igwe a dị ebube, tinyere usoro, nkà imepụta ihe, iwu ndị ziri ezi, nakwa nhazi zuru okè niile dị n'ime ya, bịara

n'enweghị Onye Okike?!

N'ezie, akụkụ ọ bụla dị na mbara igwe a, site n'atọm kachasị nta ruo n'ụyọkọ kpakpando kachasị ukwuu, na-egosi ịdị ukwuu nke Onye Okike ya; ọ gaghị ekwe omume n'uche na usoro a dị ziri ezi siri n'ọgba aghara pụta. N'ezie, uche anaghị anabata na mbara igwe a siri n'ihe efu pụta, ma ọ bụ na usoro a dị ebube ma dị mgbagwoju anya bụ ihe pụtara na mberede kpuru ìsì!

Dị nnọọ ka uche ziri ezi nakwa ọdịdị okike ziri ezi (Fitrah) na-eduzi mmadụ n'ikwere na e nwere Onye kere mbara igwe a, otu ahụ ka ha na-akwalikwa anyị ịtụgharị uche n'àgwà nke Onye Okike a, nakwa n'ikike Ya (ihe ruuru Ya) n'ebe anyị nọ.

N'ezie, ịtụgharị uche n'àgwà nke Onye Okike a na-emeghere anyị ọnụ ụzọ nke nghọta miri emi banyere mkpa ọ dị na O nwere àgwà nke izu okè zuru okè, nakwa ịdị ọcha Ya pụọ n'ezughị okè ọ bụla.

Nke a pụtara na Onye Okike nwere àgwà niile nke ịma mma nakwa ịdị ebube. N'ihi na Ọ bụ Ya (Onye dị nsọ) bụ Onye nwere ike n'elu ihe niile, Onye maara ihe niile, nakwa Onye nwere amamihe n'ihe niile Ọ kere ma hazie. Izu okè a abụghịkwa sọ naanị ihe nwere ike ịbụ, kama ọ bụ ihe dị mkpa n'uche; n'ihi na ntụpọ ọ bụla n'àgwà Ya ga-eduga ná mmebi n'okike nakwa n'ịhụ maka ihe, nke na-emegide izu okè anyị na-ahụ na mbara igwe a.

Dịkwa ka ịdị ọcha pụọ n'ezughị okè pụtara na Onye Okike enweghị mkpa ihe okike Ya. Ya mere, Ọ naghị enwe mkpa onye ọ bụla, kama ihe niile nwere mkpa Ya n'ịdị adị ha nakwa ịdịgide ha. Ya (Onye dị nsọ) enweghị onye mmekọ ma ọ bụ nwa; n'ihi na ha so n'ihe na-egosi ezughị okè nakwa adịghị ike, ma Chineke (Onye dị ike, Onye dị ebube) dịkwa ọcha pụọ n'ihe ndị a niile.

Ya mere, ọ bụrụ na Chineke bụ Onye Okike dị ebube, Onye nwere àgwà nke izu okè nakwa ịdị ukwuu, Ọ bụkwa Onye kere anyị ma kee mbara igwe site n'ihe efu, bụrụkwa Onye nwe ihe niile dị n'ime ya, na Onye na-enye anyị ihe obibi ndụ ma na-eji ebere Ya agba anyị gburugburu, nakwa Onye na-ahụ maka ihe niile ma na-achịkwa ha; ọ̀ bụ na ọ bụghị iwu ka anyị kelee Ya, ma chọọ otu anyị ga-esi nweta ihu ọma Ya, nakwa otu anyị ga-esi mezuo ikike Ya dịịrị anyị, nakwa ịrụ ọrụ iji mezuo nzube ahụ O jiri kee anyị?!

Ọ̀ bụ ihe ezi uche dị na ya na Chineke kere anyị ma ghara ịkọwara anyị ihe Ọ chọrọ n'aka anyị? Gịnị mere anyị ji nọrọ n'ebe a? Gịnị bụ nzube nakwa ebumnuche nke ịdị adị anyị na ndụ? Gịnị ga-eme anyị mgbe ọnwụ gasịrị?

Soro m tụgharịa uche: ọ bụrụ na mmadụ rụrụ obí eze dị ebube, jiri ngwá ọrụ teknụzụ kachasị ọhụrụ kwadebe ya, ruo mgbe ọ rụchara ya, o wee na mberede kwatuo ya kpamkpam n'enweghị ihe

kpatara ya. Ọ ga-ekwe omume na anyị ga-akọwa onye a dị ka onye nwere amamihe? Ọ́ bụghị ihe doro anya na a ga-ewere omume dị otú a dị ka ihe efu nke na-ekwesịghị onye nwere uche?

Ya mere, ọ bụrụ na omume a bụ ihe a na-apụghị ịnabata n'aka mmadụ, kedu otu anyị ga-esi chee na Chineke, Onye nwere amamihe nakwa Onye maara ihe niile, kere mbara igwe a dị ebube n'ụzọ pụrụ iche nakwa nke zuru okè, ma mechaa bibie ya n'enweghị ebumnuche ma ọ bụ amamihe?!

N'ezie, Chineke kere ụmụ mmadụ maka amamihe dị ebube, nke bụ ife naanị Ya ofufe na-enweghị onye mmekọ, O kekwara ha iji nwalee ha n'ụwa a, ma debeere ha oge a ga-akpọlite ha n'Ụbọchị Mbilite n'Ọnwụ iji zaa ajụjụ maka omume ha. Ya mere, onye ọ bụla kwere na Chineke ma zaa ọkpụkpọ òkù Ya ga-enweta aṅụrị Jannah (Paradaịs), na-adịgide n'ime ya ebighị ebi; ma onye ọ bụla jụrụ eziokwu ga-abụ otu n'ime ndị Ọkụ (Ala Mmụọ).

Ya mere, ofufe bụ ikike a manyere anyị amanye n'ihi na ọ bụ nzube nke ịdị adị anyị. Ọ bụkwa ihe akaebe na-egosi ekele anyị nakwa nkwenye anyị n'Ọbụbụenwe (Rububiyyah) nakwa Ọbụbụchi (Uluhiyyah) nke Chineke.

Ya mere, tụgharịa uche na ọ bụ Chineke (Onye dị nsọ ma dị elu) bụ Onye kere gị, wee kwanyere gị ùgwù site n'inye gị ikike ịnụ ihe nakwa ịhụ ụzọ, ma

jiri ngọzi ndị a na-apụghị ịgụta ọnụ gbaa gị gburugburu. Ọ bụ Ya bụ Onye na-eme ka ọbara na-erugharị n'akwara gị, na-enyekwa gị mmiri na ikuku, ebe ị nọ ná mkpa Ya n'oge niile. A sị na ọ bụghị maka ebere Ya nakwa nlekọta Ya, ị gaara ala n'iyi, ike gị ewee pụọ n'anya. Kama nke ahụ, ọ bụ Ya (Onye dị nsọ) weere ibu ọrụ nke inye gị ihe oriri gị mgbe ị bụ nwa ebu n'afọ n'ime afọ nne gị, ebe ị na-adịghị ike, na-enweghịkwa ikike n'elu ihe ọ bụla nke onwe gị.

Ọ̀ bụ na Onye Okike a, Onye Dị Ebube, ekwesịghị ka i fee Ya ofufe dị ka Ọ chọrọ, ọ bụghị dị ka ị chọrọ?! Tụgharịa uche, ọ bụrụ na ị chọrọ inye nne gị onyinye, ị̀ ga-ahọrọ ihe na-amasị gị, ka ị̀ ga-agbasi mbọ ike ịmata ihe na-amasị ya iji mee ka obi dị ya ụtọ n'ihe dabara ya? Otu aka ahụkwa, ife Chineke (Onye dị ebube ma dị elu) ofufe, ekwesịghị ịbụ dị ka mmasị anyị ma ọ bụ omenala anyị ketara eketa siri dị, kama ọ ga-abụ dị ka Ya onwe Ya (Onye dị nsọ) siri chọọ, nakwa n'ụzọ O nyere anyị n'iwu.

Ọ dị mkpa ka ofufe bụrụ nke e jiri ezi obi (Ikhlas) mee maka naanị Chineke Onye Dị Elu, na-enweghị onye ọ bụla ha na Ya na-ekekọrịta. O kweghịkwa ka mmadụ nyefee ofufe nye onye ọzọ na-abụghị Onye Okike ya. Ma mmehie kachasị ukwuu nke na-ebute ịnọgide ebighị ebi n'ime Ọkụ bụ ikunye Chineke ibe (Shirk), nke a bụ site na mmadụ ife ihe e kere eke ọzọ na-abụghị Chineke ofufe, dị ka ife arụsị,

anyanwụ, ma ọ bụ ọnwa, ma ọ bụ ife mmadụ, anụmanụ, ma ọ bụ onye ezi omume. Ihe ndị a niile so n'ụdị nke Shirk nakwa ịgọnahụ Chineke (Kufr), ma onye ọ bụla nwụrụ n'ọnọdụ a, ụgwọ ọrụ ya ga-abụ ịnọgide ebighị ebi n'ime ọkụ Jahannam.

N'ezie, Chineke zitere ọtụtụ n'ime ndị amụma nakwa ndị ozi iji gwa anyị maka nzube anyị ji dịrị n'ụwa a nakwa ebumnuche nke ndụ. Ma ozi nke ndị ozi niile bụ otu, nke bụ ozi Islam nakwa ịkpọ òkù ife naanị Onye Okike ofufe, na-enweghị onye ọ bụla ha na Ya na-ekekọrịta. Ma e nwere ndị gbagọrọ ma gbanwee ihe ndị ozi bu ha ụzọ wetara, Chineke wee zite akara mmechi nke ndị ozi bụ Muhammad ﷺ, ma wedatara ya ozi ikpeazụ nye ihe a kpọrọ mmadụ, nke bụ Qur'an Dị Ebube. E nwere ọtụtụ ihe akaebe nke uche nakwa nke sayensị na-egosi na Qur'an bụ okwu Chineke, nakwa na ọ bụ naanị ya bụ Akwụkwọ a na-enweghị mgbagọ ma ọ bụ mgbanwe n'ime ya. Chineke agwakwala anyị n'ime Qur'an na Ọ gaghị anabata n'aka mmadụ okpukpe ọ bụla ma e wezụga okpukpe Islam, nakwa na ozi nke ndị ozi niile bụ otu: nke bụ ịkpọ òkù maka ịdị n'otu nke Onye Okike (Tawhid), nakwa ife naanị Ya ofufe, na-enweghị onye ọ bụla ha na Ya na-ekekọrịta. Chineke gwakwara anyị n'ime Qur'an na e nwere Jannah nakwa aṅụrị ebighị ebi nke ga-adịrị ndị kwere ekwe, nakwa na e nwere Ọkụ na ntaramahụhụ na-egbu mgbu nye onye na-efe ihe ọzọ na-abụghị

Chineke ofufe, ma ọ bụ jụ ịbanye n'ime okpukpe Islam.

Ihe mere Islam ji dị iche n'okpukpe ndị ọzọ bụ na ndị Alakụba bụ naanị ndị nwere ike iweta ihe akaebe nke ezi uche nakwa eziokwu sayensị, site n'ịdabere n'isi mmalite mmụta a pụrụ ịtụkwasị obi, iji gosi na Qur'an Dị Ebube nke dị n'aka ha taa bụ okwu nke Chineke, Onye Okike (Onye dị nsọ), nke e chekwara echekwa pụọ na mgbanwe nakwa mgbagọ.

N'ezie, Qur'an Dị Ebube bụ Akwụkwọ Chineke wedataara Onye Amụma Ya Muhammad ﷺ, O jikwa ya maa ụmụ mmadụ aka kemgbe ihe karịrị narị afọ iri na anọ ka ha weta ihe yiri ya, ma ọ bụ ọbụna otu Surah yiri ya, ma ha enweghị ike ime nke a. Aka a O mara ha ka dịgide ruo taa, n'enweghị onye ọ bụla nwere ike iweta ihe yiri ya na nka asụsụ, nkọwa okwu, ọrụ ebube, nakwa n'iwu okpukpe. N'agbanyeghị nke ahụ, o nweghị onye ọ bụla kemgbe ọgbọ niile gara aga nwere ike iweta ihe yiri ya ma ọ bụ ọbụna ihe dị nso na ya. Ọrụ ebube dị na Qur'an abụghị naanị n'asụsụ ya nke ruru n'ogo kachasị elu nke ịkọwapụta okwu nakwa nka asụsụ, kama ọ na-agbasakwa ịgụnye ihe akaebe nke ezi uche nakwa nke sayensị nke na-emesi ya ike na ọ bụ okwu Chineke. Ebe ọ bụ na Qur'an Dị Ebube nwere ihe akaebe doro anya na-egosi na ọ bụ okwu Chineke, omume kachasị nwee ezi uche nakwa ezi

amamihe bụ ikwere na ya nakwa isoro ihe dị na ya, kama ịdabere n'akwụkwọ ndị ọzọ nke ntinye aka mmadụ metụtara n'idepụta ha.

Ezi uche na-eduga anyị ịmata na okwu nke Onye Okike, Onye kere mbara igwe ma hazie usoro ya nke ọma, bụ isi mmalite kachasị eziokwu iji mara eziokwu. Mgbe anyị chọpụtara n'ime Qur'an ọrụ ebube a n'asụsụ ya, eziokwu nke sayensị, nakwa iwu ndị zuru okè, tinyere ka e siri chekwaa ya pụọ ná mgbagọ n'ọgbọ niile, ọ nweghị ihe ọzọ fọdụrụ karịa ịnakwere na ọ bụ okwu Chineke.

N'ihi ya, ikwere n'ihe dị na Qur'an abụghị naanị nhọrọ nke okwukwe, kama ọ bụ mkpebi nke ezi uche nke kwekọrọ n'usoro ezi uche nke nchọgharị eziokwu.

Chineke (Onye dị nsọ ma dị elu) akọwaala n'ime Qur'an Dị Ebube na O keghị anyị n'efu, kama O kere anyị iji fee Ya ofufe.

Chineke gwakwara anyị na Qur'an na ndụ ụwa a anyị na-ebi bụ naanị oge nwa oge nke ga-agwụ n'oge na-adịghị anya. Ma ezi ndụ ebighị ebi ga-abụ n'Ụwa Nke Ọzọ, mgbe ndị kwere ekwe (Mu'minun) ga-abanye na Jannah, ma ndị na-agọnahụ Chineke (Kaafirun) ga-abanye n'Ọkụ.

Ya mere, Onye Okike, Onye mere ka anyị dịrị site n'ihe efu, nwere ike n'ezie iweghachi anyị ná ndụ mgbe ọnwụ gasịrị. Ma n'ime ihe ndị gbara anyị gburugburu n'ime mbara igwe site n'ihe ịrịba ama

nke Chineke, anyị na-ahụ ihe akaebe a na-emetụ aka banyere ike Chineke na-enweghị ngwụcha n'ime ka ihe nwụrụ anwụ dịghachi ndụ. N'ihi na dịka Chineke si ewepụta ọkụ site n'osisi na-acha akwụkwọ ndụ, ma na-ewepụtakwa ihe ọkụkụ nakwa mkpụrụ osisi site n'ala kpọrọ nkụ, nakwa na-eke nwa ebu n'afọ n'ime afọ nne ya site na ntapụ mmiri, n'ezie Ọ nwere ike (Otuto dịrị Ya) ime ka ndị nwụrụ anwụ dịghachi ndụ ma kpọlite ha site n'ili ha maka ịkwụ ụgwọ ọrụ n'Ụbọchị Mbilite n'Ọnwụ. Chineke nwere ike n'elu ihe niile, ọ bụkwa ajọ omume nakwa mmegbu (Zulm) ka ndụ onye na-emegbu mmadụ nakwa onye a na-emegbu gwụ n'enweghị ịza ajụjụ ma ọ bụ ụgwọ ọrụ.

Mmadụ nwere ike ịjụ sị: Gịnị mere o ji bụrụ Islam ma ọ bụghị okpukpe ndị ọzọ?!

Ihe kachasị ukwuu nke na-eme ka mmadụ dị iche n'ebe ihe ndị ọzọ e kere eke nọ bụ uche (Aql), ọrụ ya bụkwa iche echiche nakwa ịchọ eziokwu.

N'ezie, Islam bụ okpukpe kwekọrọ n'uche ziri ezi nakwa ọdịdị okike (Fitrah) ziri ezi. Ọ na-enye azịza nwere ezi uche maka nnukwu ajụjụ gbasara ịdị adị: Gịnị mere anyị ji nọrọ n'ebe a? Gịnị bụ ebumnuche nke ndụ anyị? Gịnịkwa bụ njedebe mgbe ọnwụ gasịrị?

Islam gbadoro ụkwụ n'iwepụta naanị Onye Okike n'ofufe nakwa ịgba àmà na ọ dịghị chi kwesịrị ofufe n'eziokwu ma e wezụga Chineke. Nke a bụ

ịgba àmà nke mbụ, ọ bụkwa ntọala okwukwe na Islam. Ihe ọ pụtara bụ na ọ nweghị onye kwesịrị ofufe n'eziokwu ma e wezụga naanị Chineke.

Ịgba àmà nke a gụnyere:

Ịdị n'otu (Tawhid): nke pụtara ịkwere na Chineke bụ Onye kwesịrị ofufe sọ naanị Ya, O nweghị onye na-ekekọrịta ya na Ya, O nweghị nwa, O nweghịkwa onye yiri Ya.

Ịjụ Ikunye Chineke Ibe (Shirk): Nke pụtara ịgọnahụ arụsị niile nakwa chi niile nke mmadụ rụrụ.

Islam na-eme ka ikwere ná ndị ozi niile bụrụ iwu. Ya mere ndị Alakụba na-ekwere, dịka Chineke siri kwuo na Qur'an, na Isa bụ ohu Chineke nakwa onye ozi Ya, nakwa na ọ bụghị nwa Chineke. N'ihi na Chineke dị ukwuu, ọ gaghịkwa ekwe omume n'ebe Ọ nọ inwe nwunye ma ọ bụ nwa, Ọ nweghị mkpa ha abụọ ma ọ bụ mkpa nke ihe ọ bụla. Chineke agwakwala anyị na Qur'an na Isa bụ onye amụma nke Chineke nyere ọtụtụ ọrụ ebube, nakwa na Chineke zipụrụ ya ka ọ na-akpọ ndị ya òkù ife naanị Chineke ofufe, na-enweghị onye ọ bụla ha na Ya na-ekekọrịta. O gwakwara anyị na Isa arịọghị ndị mmadụ ka ha fee ya ofufe, kama ya onwe ya nọ na-efe Onye Okike ya ofufe. Ya mere, ọ bụrụ na ị chọrọ ịbụ onye nwere okwukwe na Isa n'eziokwu ahụ nke Chineke hụrụ n'anya, ị ga-abanye n'okpukpe Islam.

Chineke wee gwa anyị n'ime Qur'an na Isa nyere

ndị ya n'iwu ka ha fee naanị Chineke ofufe, ma dọọ ha aka ná ntị banyere ikunye Chineke ibe (Shirk).

Ọ̀ bụ ihe ezi uche dị na ya ka mmadụ nwere ọgụgụ isi fee ihe e kere eke dị ka ya ofufe, nke agụụ na-agụ, akpịrị ịkpọ nkụ na-atụ, ma ọ nweghịkwa ike igbochi onwe ya ọnwụ ma ọ bụ ihe ọjọọ?! Kedu otú ị ga-esi fee Isa nwa Maryam ofufe, gị mmadụ, ebe ọ bụ mmadụ nkịtị nke chọrọ nri nakwa ihe ọṅụṅụ, na-echigharịkwa n'ebe Onye Okike ya nọ n'ekpere?! Uche ọ̀ ga-enwe ike iche n'echiche na Chineke na-ekpere onwe Ya ekpere?! Ọ̀ bụ na Chineke abụghị Onye nwere àgwà nke ịdị ebube, Onye pụrụ iche n'izu okè Ya, Onye dịpụrụ adịpụ n'inwe onye Ya na Ya hara ma ọ bụ onye yiri Ya, ma ihe niile dị na mbara igwe nọ n'okpuru ike nakwa ọchịchị Ya? Kedu otú ezi uche ga-esi anabata na Onye Okike nke eluigwe na ụwa ga-eweda onwe Ya ala ka a mụọ Ya dị ka nwatakịrị, ma nyefee onwe Ya n'aka ihe O kere ka ha kpọgbuo Ya n'obe? N'ezie, ndị a na-akpọgbu n'obe ma na-egbu bụ ụmụ mmadụ na-anwụ anwụ. Ma Onye Okike, Ọ bụ Onye Dị Ndụ (Al-Hayy) nke na-adịghị anwụ anwụ, Onye na-akwado ihe niile (Al-Qayyum), Onye ụra adịghị atụ, Ọ dịghịkwa arahụ ụra. Ọ̀ bụ na o soghị n'izu okè nke ịdị ebube Ya nakwa ịdị ukwuu Ya ka Ọ bụrụ Onye dịpụrụ adịpụ pụọ n'ihe ndị dị otú a?

Chineke agwala anyị n'ime Qur'an Dị Ebube na ndị ozi niile bịara jiri otu ozi, nke pụtara ịkpọ ndị ha

òkù ife naanị Chineke ofufe, na-enweghị onye ọ bụla ha na Ya na-ekekọrịta. Mana ka oge na-aga, ụfọdụ gbagọrọ ozi a na-adịgide adịgide, wee kpochapụ ìhè nke ịdị n'otu Chineke (Tawhid) nke ndị amụma wetara. Chineke wee zite onye ozi ikpeazụ bụ Muhammad ﷺ, ma zitekwara ya Qur'an Dị Ebube ka o wee megharịa ozi nke Tawhid nke ndị ozi niile bu ya ụzọ wetara.

**N'ikpeazụ, anyị na-asị gị, O nwa mmadụ:**

N'ezie, Islam bụ okpukpe nke uche nakwa ọdịdị okike, ọ bụkwa naanị okpukpe nke Onye Okike dị ebube nyere n'iwu maka ihe a kpọrọ mmadụ. Ya mere ọ bụ iwu ka onye ọ bụla nwere uche mee ngwa ngwa ịbanye n'ime Islam. Nke a na-abụ site n'ikwere na Chineke bụ Onyenwe anyị, na Islam bụ okpukpe anyị, nakwa na Muhammad bụ onye ozi Ya. Nke a bụ ihe mmadụ na-enweghị nhọrọ n'ime ya; n'ihi na Chineke ga-ajụ ya ajụjụ n'Ụbọchị Mbilite n'Ọnwụ maka nzaghachi o nyere ndị ozi. Ọ bụrụ na ọ bụ onye kwere ekwe, ọ ga-enweta mmeri nakwa ihe ịga nke ọma dị ukwuu, ma ọ bụrụ na ọ bụ onye na-agọnahụ Chineke, ọ ga-enweta nnukwu mfu doro anya.

Ọ bụrụ na ị na-achọ ezi obi ụtọ n'ụwa nakwa mmeri n'Ụwa Nke Ọzọ, mara na mkpebi kachasị ukwuu ị nwere ike ime na ndụ gị bụ ịbanye n'okpukpe Islam. Naanị ihe ị ga-eme bụ ikwu okwu

ndị a site n'ezi obi kwere ekwe: "A na m agba àmà na ọ dịghị chi kwesịrị ofufe n'eziokwu ma e wezụga Chineke, nakwa na m na-agba àmà na Muhammad bụ Onye Ozi Chineke." Mgbe ahụ malite ịmụta okpukpe gị ma na-arụ ọrụ dịka ihe àmà abụọ ahụ siri nye n'iwu, nke bụ ikwere na Chineke nakwa Onye Ozi Ya, yana ịgbaso ogidi ndị nke okpukpe Islam.

Kwuo ya ugbu a, alaala azụ; n'ihi na ọnwụ nwere ike ịbịa na mberede, ya mere eyigharịkwala mkpebi dị oke mkpa otú a. Ahapụkwala ohere maka Ekwensu iji dọghachi gị azụ pụọ n'ezi ihe. Nwee obi ike, ma malite ụzọ gị gawa n'ìhè nakwa ná nduzi.

Mee mkpebi gị ugbu a, ma malite ndụ ọhụrụ nke jupụtara n'obi iru ala nakwa afọ ojuju.

"A na m agba àmà na ọ dịghị chi kwesịrị ofufe n'eziokwu ma e wezụga Chineke, ma na m agba àmà na Muhammad bụ Onye Ozi Chineke."

❃❃❃

ig459v2.0 - 23/07/2026

جمعية خدمة المحتوى
الإسلامي باللغات